# ỤDAOLU N'USORO OKWU IGBO: NDỊICHE SITERE N'OLU NANKA

Chinweude Nwakaego Ugochukwu
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka
ugochukwuchinweude@ymail.com

## Ụmị

*Nchọcha a tulekọrịtara ụdaolu n'olu Nanka na Igbo Izugbe iji chọpụta ma e nwere myiri na ndịiche dị n'etiti ha. A chịkọtara ahịrị okwu iri e jiri mee nchọcha a site n'ọnụ ndị okenye sitere na Nanka ndị o nwebeghi mgbe ha hapụrụ obodo Nanka gaa biri n'obodo ọzọ. A gbasoro atụtụ akụkụ nnọrọ onwe wee tụchaa ahịrị okwu e jiri mee nchọcha. Nchọpụta gosiri na e nwere myiri na ndịiche dị n'etiti olu Nanka na Igbo Izugbe. A chọpụtara na e nwere ụdaolu atọ n'olumba Nanka dị ka ọ dị n'Igbo Izugbe, mana ụda nsụda na-ewete ndịiche n'etiti mkpụrụokwu ụfọdụ n'olu Nanka. A chọpụtakwazịrị na e nwere mkpọgo na mkpọda na-abata n'olu Nanka nke na-adịghị n'Igbo Izugbe. Mkpọgo na mkpọda a nke na-apụta ihe na asụrasụ olu Nanka na-eweta ndịiche pụrụ iche nke na-eme na a na-eji ya amata mgbe onye Nanka sụrụ asụsu. Ebumnobi nchọcha a buikwalite asụsụ Igbo nakwa ikpalite mmụo ndị mmadụ ka a gaa n'ihu n'ịtụle olu mba dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo iji chọpụta ihe ndị ọzọ dị omimi banyere ha nke na-anaghị apụta ihe n'Igbo Izugbe.*

## 1. Mmalite

E wezuga asụsụ, ọ ga-enye mmadụ nsogbu ịkọwapụta echiche ya. Ọ bụ naanị mmadụ bụ 'anụ' nwere asụsụ pụrụ iche maka inwe mmekọrịta n'etiti onwe ha. Crystal (1971:175) kọwara asụsụ dịka "Ụdaolu mmadụ ahaziri ahazi n'ụdịọdịmara nke na-abụghị ebumpụta ụwa mmadụ n'onwe ya mebere iji kọwapụta echiche ya site n'okwụọnụ maọbụ ederede". Nkọwa a gosiri na ọbụ mkpa mmadụ nwere ime ka a mata ihe ọ bu n'obi kpalitere asụsụ. Asụsụ Igbo nwere ọtụtụ oluasụsụ mejụpụtara ya nke ndị okammụta ụfọdụ dịka Ikekonwu(1985) kwuru na e kere ya ụzọ isii, ka e si asụ ya na obodo ebe na-asụ ya gụnyere:Igbo ndịọwụwa anyanwụ Naija, Igbo ndịọdịda anyanwụ Naija, olundị mgbago ugwu, Igbo Nnọnetiti, Igbo Cross

River, olundị Ọhaji/Egbema. Igbo izugbe, dịka Ezeụmụdọ (1985:19) siri kọwaa ya bụ "nchịkọba ọnụ nke a chịkọbara olumba dị iche iche, nke a pụtaziri na o nweghi mba tosiri isi na Igbo Izugbe ma ọ bụ asụsụọ bụla nwerela oluizugbe bụ asụsụndị be haka e jiri mebe ya". Anozie (1999:29) kwukwara na

> E nwere ike ị were otu asụsụ kwụụrụ onwe ya ma ọ bụ otu n'ime olumba mebere asụsụọbụla jiri yamebe Igbo Izugbe. Ihe dị mkpa bu ileba anya were asụsụ ma ọ bụ olumba nke mmadụ niile nwere mmasị na ya (jiri ya mere asụsụ Izugbe).

Dịka Anozie siri kọwaa, asụsụ Izugbe esighi n'elu daa, kama, ọ bụ site n'olumba dị iche iche ka e si achịkọba ya. Nghọta dị otu a na-egosi naọ dị nnukwu mkpa ilebara olu dị iche iche mebere asụsụ Igbo anya ka e wee site na ha mee ka asụsụ Igbo na-eto otu o kwesiri. Ọ bụghị naanị na Igbo izugbe (ozuluigboọnụ) na-alaghachi azụ kama nke ka njọ bụ na mperimpe asụsụ dị iche iche mejuputara Igbo Izugbe na-anwụzị n'ike n'ike. Nke a sozi mee ka e nwee mmasị ileba anya n'Ụdaolu dịka o siri metụta olu Nanka na Igbo Izugbe.

E kewara nchọcha a ụzọ ise. Nkeji nke mbụ bụ mkpọlite, ebe a kọwara ihe nchọcha na-ekwu maka ya nakwa ihe kpalitere nchọcha a. Nkeji nke abụọ bụ ebe a kọwadara isiokwu nchọcha, e lebarakwara anya n'ụdaolu dị ka o siri metụta ndokọokwu n'Igbo Izugbe. Nke atọ lebara anyan'atụtụ nke a gbadoro ụkwụ na ya wee me nchọcha bụ atụtụ akụkụ nnọrọ onwe.Na nkeji nke anọ, atụlekọrịtara ụdaolu nke Igbo Izugbe na nke olu Nanka, iji chọpụta ebe ha yitere na ebe e nwere ndịiche n'etiti ha.Nkeji nke ikpeazu bụzị nchịkọta nchọpụta e mere na okwu mmechi. A gbasoro usoro nkanye Ụdaolu nke Green na Igwe (1963) n'edemede nchọcha a. Dịka ntụpụta usoro a siri dị, a naghị akanye akara ụdaelu n'okwu ndị nwere ụdaelu, naanị n'okwu ndị nwere ụdaala na ụda nsuda ka a na-etinye akara Ụdaolu.

## 2. Nkenke Akụkọ Ala Nanka

Nanka bụ otu n'ime obodo e nwere n'okpuru ọchịchị Orumba North n'ime Anambra Steeti. Ọ dịbu n'okpuru ọchịchị Aguata rue mgbe e kegharịrị okpuru ochịchịụfọdụ dịn'ime Anambra Steeti. Akụkọ e nwetara n'aka ndị a gbara ajụjụọnụ gosiri na o nweghi onye maara kpọmkwem mgbe obodo Nanka malitere na otu o siri malite niihi na e nwechara ndịiche dị n'akụkọ ndị okenye a gbara ajụjụonụ kọrọ.

Otu akụkọ e nwetara, bụ na otu nwoke a na-akpọ Udude bụ onye chọpụtara Nanka. Akụkọ a kọrọ na Udude bụ dinta na-agaghari n'ohịa dị iche iche na-achụ nta. Ọ bụ n'otu njem ịchụ nta ka o rutere ebe a na-akpọ Nanka ta birizie. Ihe mere o ji biri n'ebe ahụ bụ na ọ chọpụtara na anụọhịa dị iche iche bi n'ọhịa ahụ. Ọ malitere ịkọ ugbo n'okirikiri ụlọ ya wee chọpụta na ala ahụ na-eme nri nke ọma. Nke a meziri ka o were ebe ahụmere ebe obibi. O mechara lụọ nwaanyị nke mụtaara ya naanị otu nnwa nwoke ọ kpọrọ aha ya "Nanka". Nanka n'onwe ya mechara lụọ nwaanyị, mụta ụmụ isii.

Akụkọ nke abụọ e nwetere n'aka ndị a agbara ajụjụọnụ bụ na "Udude" si Nri (obodo dị nso n'Agulu) bịa birizie na Nanka. Akụkọ ahụ kọrọ na ọ bụọsọ ndụ kaọ na-agba ka ọ gbanahụ ndị iro ya chọrọ igbu ya egbu na ndị chọrọ iresi ya ndị na-agba ohu. Ọ gbagidere ọsọmalite na Nri wee rute na Nanka rụọụlọ biri. Ọ lụrụ nwaanyị mụta otu nnwa nwoke ọ kpọrọ "Nanka". Nnwa ya nwoke bụ Nanka lụkwara nwanyị mụtazie ụmụ nwoke isii bụ ndị mebere ogbe isii e nwere na Nanka taa. E nwere akụkọ ndịọzọ rụtụkwara aka otu Nanka siri malite ma a gaghị aga n'ihu ileba ha anya ebe ọ bụ na ha edochaghị anya. N'agbanyeghi ndịiche dịgasị n'akụkọ ndị a, ihe doro anya bụ na nwoke a na-akpọ "Udude" bụ nna Nanka. Nanka n'onwe ya mụtaraụmụ nwoke isii. Ha bụ ndịa n'usoro ha siri tọọ onwe ha:Agbịlịgba, Isinkwọ (Enugwu),Ifite, Amakọ,Ụmụdala,Ụbaha.

N'ime ụmụ isii ndị a, o nwere ndị otu nne ji nke gosiri na Nanka lụrụ igwe nwaanyị dị ka omenala Igbo dị n'oge gboo. Agbịligba na Ụmụdala bụ otu nne ji ha, Isinkwọ na Ụbaha bụ nwanne afọ ebe Ifite na Amakọ bụ otu nne. Ụfọdụ ndị Nanka na-eche na ụmụ Nanka dịụmụ nwoke asaa. Nke a abụghị eziokwu site n'ihe a gbatara n'ajụjụọnụ. Ogbe a na-akpọ Etti na Nanka bụ obịa ka ha bụ. Nna ha bụ Etti bịakwutere Agbịligba dị ka diọkpara Nanka rịọ ya ka o nye ya ala ebe ya na ụmụ ya ga-ebi niihi nsogbu o nwere n'obodo ya bụNwanchị dị n'ime Agụlụ. Agbịlịgba nabatara ya, nyekwa ya ala ebe ọ rụrụụlọ biri wee mụbawazie. Taa , a na-ewerezi Etti dị ka otu n'ime ụmụ Nanka mụtara karịa ịkpọ ha ọbịa. Mgbe mbụa na-akpọ ha Etti-Agbịlịgba mana ugbu a, a na-akpọzi ha Etti-Nanka. Ọ bụ ha pekarịsịrị mpe n'ime ogbe isii ndịọzọ.

## 3.0 Ntule Agụmagụ

### *3.1 Asụsụ na Olu Asụsụ*

Asụsụ dị n'ụwa bara ụba ma dịkwa iche iche. Asụsụọ bụla nwere olu dị iche iche e ji asụ ya. Ezeụmụdo (1985) kpọrọ olumba oluasụsụ nke ọ

kọwara dị ka olu ndị ahụ dịga iche iche mba dị iche iche ji asụ otu asụsụ. N'uche ya, ọ bụ olu ndị a ka e ji amata mba dị iche iche. Otu ndịiche dị n'etiti asụsụ na olumba bụ na asụsụ karịrị olumba na nnukwu. Iji ma atụ; abịa n'asụsụ Yoruba e nwere ọtụtụ oluasụsụ, ụfọdụ n'ime ha gụnyere: Egba, Ekiti, Ibadọ, Ife, Ijebu, Ijegba, Ilaye, Ondo, Ọwọ na Uyo.

Williamson (1965) kwuru na ekerichara asụsụ Ijọ n'oluasụsụ dịgasị iche iche. Ọ kwadoro ihe Hockett (1958) kwuru na oluasụsụ soro mebe ihe omimi gbagwojuru anya dị n'asụsụ. Ndịiche na-adị n'otu oluasụsụ na nke ọzọ na-abasa abasa metụtasịa ihe dị ka ụdaasụsụ, ụtọasụsụ, mkpọpụta okwu, ahịrịokwu na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Olaoye (2002) kọwara olumba dịka ụdịdị dị iche iche nke otu asụsụ nwere,o peka mpe otu ụzọ ma ọ bụụzọ dị iche iche ha siri yie onwe ha nke mere ka ha dị iche n'ụdịdị asụsụ ndịọzọ. Site n'echiche Ọlaoye weputara na nkọwa ya, a chọpụtara na olumba dị iche iche nke otu asụsụ ga-enwerịrị ihe jikọtara ha ọnụ nke ga-egosi na ndị niile na-asụ ya na-asụ otu nnukwu asụsụ. Ndịiche ndịa na-apụtakarị ihe n'ụtọasụsụ na mkpọpụta. N'otu aka ahụ, Yule (1996:227) sị na olumba na-arụtụkarị aka n'ebe ụtọasụsụ, akpaokwu na mkpọpụta okwu dị. Nke a gosịrị na olumba dị iche iche na-enweputa ụzọ dị iche iche e si akpọpụta otu okwu, ndịiche na-adị na nsupe ha na kwa na nghọta ha. Asụsụ Igbo so n'asụsụ nwere olu dị iche iche e ji asụ ya dị ka e zipụtara na mmalite nchọcha a.

### 3.2 Ụdaolu N'Asụsụ

E nwere puku kwuru puku asụsụ n'ụwa niile. N'asụsụ mba ụwa, a na-enwe ụdị ma ọ bụ ngalaba asụsụ abụọ site n'etu e si e ji mgbanweolu ha emebe nghọta pụrụ iche. Ọ buru na mgbanweolu nwere ike iwebata nghọta pụrụ iche n'etiti mkpụrụokwu na ibe ya n'asụsụ, a na-asị na asụsụahu bụ asụsụỤdaolu. N'aka nke ọzọ,ọ bụrụ na mgbanweolu na-eweta nghọta pụrụ iche n'etịti ahịrịokwu na ibe ya, ma ọ bụ n'etiti nkebiokwu na ibe ya, a na-asị na asụsụ dị etu a bụ asụsụ ndebeolu (Ikekeonwu, Ezikeojiaku, Ubani na Ugoji 1999). E nwere asụsụ ndị bụ asụsụ ndebe olu dị ka Hausa, French na Bekee na ndị bụ asụsụỤdaolu dị ka Igbo, Yoruba, na asụsụ Ghana. Ọtụtụ asụsụ Eshia dị ka Mandarin Chainiz, Bọmeze na Tai bụgbado asụsụ Ụdaolu.

Ịma-atụ: N'asụsụ Tai, a na-eji ụda asụsụ mkpụrụ okwu bụ ịna:ị wee na-anọchite anya ọtụtụ nghọta site n'ogoolu e jiri kpọpụta mkpụrụokwu. N'ihi nke a, asụsụ Tai nwere ụdaolu ise dị ka e siri gosiputa n'ọmụma atụ dị n'okpuru:

(1) a. [ ˋ ]  L  low tone  ịnà:ị  "a nickname"
b.[ˉ ]M  mid tone  ịnā:ị  "rice paddy"
ch. [ˊ]H  high tone  ịná:ị  "young maternal uncle or aunt"
d. [ˆ ]HL  falling tone ịnâ:ị "face"
e. [ˇ ] LH  rising tone  ịnǎ:ị "thick"

Ogo olu dị nnukwu nkpa n'asụsụ, nke mere na asụsụ dị iche iche ji ya eme ihe dị iche iche. N'asụsụ ụfọdụ, e ji ogoolu eziputa ndịiche dị n'etiti otu okwu na ibe ya. Lee ọmụmaatụ okwu Yoruba ụfọdụ na akara Ụdaolu ha:

| (2) **high tone** | **mid tone** | **low tone** |
|---|---|---|
| tí 'that, which' | ti 'property of' | tì 'to push' |
| ʃé 'isn't it? etc. | ʃe 'to do' | ʃè 'to offend' |
| ɔkɔ 'hoe' | ɔkɔ 'husband' | ɔkɔ 'canoe' Radford et al (2002) |

Dị ka ezipụtara n'ọmụmaatụ dị n'elu, ogoolu eji akpọpụta mkpụrụokwu *tí* dị elu karịa ụda *ti,* nke ogoolu eji akpọpụta ya dịkwazi elu karịa nke eji akpọpụta tì.Ọ bụ ndịiche ndị a dị n'ogoolu e ji akpọpụta mkpụrụokwu dị iche iche ka a na-akpọụdaolu.

## 3.3 Ụdaolu n'Asụsụ Igbo

Ụdaolu bụ ihe dị omimi ma pụtakwa ihe nke ọma n'asụsụ Igbo. E nwere ikeịsị na Ụdaolu bụ ahụghi ma erighi dịka o si metụta asụsụ Igbo. Ụfọdụ ndị okammụta edeela maka ụdaolu n'asụsụ Igbo dịka Okonkwo (1974), Emenanjo (1978), Oruchalu (1987), Ngoesi (1989), Nwachukwu (1995), Anozie (1998), Ikekeonwu, Ezikeojiaku, Anosike na Ubani (1999), Mbah na Mbah (2010).Oruchalu (1962:141) kọwara ụdaolu dị ka ihe dị nnukwu mkpa n'asụsụ Igbo. O kwuru naọ bụ site n'ụdaolu ka e si amata ihe dị iche n'otu okwu na ibe ya, nke a pụtara na nghọta mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo dabeere n'ụda e jiri kpọpụta ya.

Emenanjo (1978:12-14) na Anozie (1998:27-29) lebara anya na ka asụsụụdaolu si e ji ogoolu arụọrụ n'ụdị ikanye akara ụdaolu n'elu nkejiokwu iji gosipụta ndịiche dị n'etiti mkpụrụokwu na ahịrịokwu dị iche iche.Ngoesi (1989:48) na nkọwa nke ya sị na ụdaolu pụtara iji nweli ma ọ bụ nweda olu wee kpọpụta mkpụrụokwu iji zipụta ụda ya. Ọ gara niihu kọwaa naọtụtụ mkpụrụokwu Igbo na-enwe nghọta dị iche iche site n'etu e siri weli ma ọ bụ weda olu wee kpọpụta ha.

Ụdaolu nwere akara e ji ezipụta ya nke a na-akpọ akara Ụdaolu.Asụsụ Igbo nwere akara Ụdaolu atọ.Akara Ụdaolu ndị a bụ:

(3) a.Akara Ụdaelu[´] (High tone)

b.Akara Ụdaala[`] (Low tone)

ch.Akara ụda nsụda [-] (Downstep tone)

Dịka o si doo anya n'agụmagụ, Ụdaolu na-arụọrụ dị iche iche n'asụsụ Igbo.Ọ na-ezipụta ebe a ga-eweli ma ọ bụ weda olu iji mee ka mkpọpụta okwu ziputa nghọta e bụ n'uche.Ụdaolu na-ezipụta mgbanwe dịna nghọta maka okwu ndị nwere otu nsupe nke a na-akpọpụta n'ụzọ dị iche iche. Ọrụ ọzọ bụ iziputa nghọta nke e bụ n'uche ebe mkpụrụokwu dị n'ahaịrịokwu nwere ike ibute nghọtahie ma ọ bụ mgbagwoju anya.E ji Ụdaolu eziputa ahịrịokwu nkwusa maọ bụ ajụjụ.E jikwa ya eziputa nkejị asụsụ ma ọ bụ ọrụ ụfọdụ mkpụrụokwu na-arụ dị ka igosipụta; ntimiwu, mkpọaha ma ọ bụ nnọchiaha (maka nkejiokwu) infinitive, jerondụ dgz.

### 3.4 AtụtụNchọcha

A gbasoro atụtụ akụkụ nnọrọ onwe wee mee nchọcha a. Atụtụ a bụ nke Goldsmith tupụtara n'afọ (1996) nke na-ewebata ụdaolu na nkọwa ya. E weputara atụtụ a niihi na ọtụtụ asụsụ mba uwa bụ asụsụụdaolu tinyere na atụtụ nsiniwu enweghi ihe o kwuuru gbasara ụdaolu. Atụtụ a dịka Mbah na Mbah (2014) na-ekwu na okwu ọ bụla nwere agba abụọ:agba ụdaolu na agba mkpụrụ edide. Atụtụ a na-ekwu na mgbe a na-akọwa okwu ọ bụla, a na-enwe atụmatụ ndị a:


Atụmatụ nsekọ: Nke a bụ usoro e ji akara eserese wee na-eseko ụdaume, myiriụdaume na ụdaolu. Nke a bụ niihi na ọ bụ ụdaume na myiriụdaume na-ebukarị akara Ụdaolu n'asụsụ. Lee ọmụmaatụ ndị a:

(4) a. a ka -agba mkpụrụ edide
-ọgbara nsekọ
e e - agba Ụdaolu

b. nne -agba mkpụrụ edide
- ọgbara nsekọ
e e -agba Ụdaolu

ch.    a l a   - agba mkpụrụ edide
        |   |   - ọgbara  nsekọ
        a   a   - agba Ụdaolu

Usoro nke abụọ na-ekwu na mgbe e nwereỤdaolu, nke na-enweghị ebe ọ kwụ, ka e sekọọ ya na ụdaume dị ya n'aka nri.




Nke atọ bụ mgbasa. Iwu nke a na-ekwu na mgbe e sekọsịrị ụdaume na Ụdaolu, mana a ka enwere ụda-ume nọọrọ onwe ya, na a ga-esekọ ya na ụda-ume nọ ya n'aka nri. Ihe ọzọ pụtara ihe n'atụtụ a bụ na akaransekọ abụọ anaghị aga onwe ha n'elu (Mbah na Mbah 2014: 7ff).Iwuatụtụ a bụ na akara nseko agaghị agafe ma ọ bụ metụta onwe ha.

E weputara atụtụ a iji wee tụchaa ụdaolu, mkpọnimi, ndakọrịta ụdaume dgz. Clark na Yallop e jirila ya wee lebaa anya na mkponimi. Obianika, (2006) jikwara ya tụchaa ụdaolu dị ka o siri metụta mwube nkwụ n'Igbo Izugbe.

## 4. Ndịiche dị n'Ụdaolu Oluasụsụ Nanka

Ụdaolu bụụda na-adị na nkejiokwu nke mkpụrụokwu ọ bụla ma a na-akpọpụta ha. E nwere ụdịdịỤdaolu atọ pụtara ihe n'olumba Nanka. Ha bụ ndịa:

(5) a. Ụdaelu [´]
b. Ụdaala [`]
ch. Ụdansụda [-]

Dị ka nchọpụta e mere siri dị, e nwere myiri dị n'etu Ụdaolu si apụta ihe n'olumba Nanka na Igbo Izugbe.

(6) Ụdaelu (´)

| Igbo Izugbe | Olu Nanka |
|---|---|
| Isi | ishi |
| Aka | aka |
| Oke | oke |
| Imi | imi |
| Ụkwụ | ụkwụ |

Ọmụmaatụ ndị a na-egosi na e nweghi ndịiche dị n'otu Ụdaelu si abata na mkpụrụokwu n'olu Nanka na Igbo Izugbe. Mkpụrụokwu ndị e deputara n'elu nwechara akara Ụdaelu.

(7) Ụdaala (`)

| Igbo izugbe | Olu Nanka | Gloss |
|---|---|---|
| àlà | ànà | 'land' |
| ùdù | ùdù | 'clay pot' |
| ìtè | ìtè | 'metal pot' |
| àkpà | àkpà | 'bag' |

(8) Ụdansụda (-)

| Igbo izugbe | Olu Nanka | Gloss |
|---|---|---|
| Egō | egō | 'money' |
| ọnū | ọnū | 'mouth' |
| erō | erō | 'mushroom' |
| ogwū | ogwū | 'thorn' |
| agụ̄ | agụ̄ | 'lion' |

Emenanjọ (1978), na-ekwu na ọ bụ naanị Ụdaelu na Ụdaala pụtakarịsịrị ihe n'asụsụ Igbo, na-ewetekwa ndịiche na nghọta mkpụrụokwu mana a chọpụtara na ụda nsụda na-arụkwa ọrụ Ụdaelu na Ụdaala n'olu Nanka. Nchọcha a kwenyeere Mbah na Mbah (2010) na ụda nsụda bụ ụda aka ya ma na-ewetakwa ndịiche na mkpụrụokwu ndị nwere otu ụdị. Nchọcha e mere na-egosi na ụda nsụda pụtara ihe nke ọma n'olu asụsụ Nanka ma na-ewetekwa ndịiche na nghọta mkpụrụokwu ụfọdụ dị ka ọmụmaatụ ndị a na-egosi.

| (9) | | |
|---|---|---|
| | ọdụ̄ - 'pestle' | ọdụ̀- 'tail/market stall' |
| | elō - 'mushroom | 'elò- 'suggestion/advice |
| | ezū - 'lake' | ezù - 'to meet' |
| | agū - 'lion' | agù - ' a type of ritual in Nanka tradition' |
| | àgụ - 'reading' | |
| | ọzō - 'title' | ọ̀zọ - 'again' |
| | mmā - 'beauty' | mmà - 'knife' |

E leruo anya na mkpụrụokwu ndị a, a ga-ahụ na ụda nsụda wetara ndịiche n'etiti mkpụrụokwu ndị e deputara. E wepu akara ụda nsụda, a gaghị ama ihe dị iche na mkpụrụ okwu ndị e jiri maa atụ.

A chọpụtakwara na ebeọzọ e nwere ndịiche dị ka o si metụta Ụdaolu n'ụsoro okwu Nanka na nke Igbo Izugbe bụ n'ebe ụda mkpọda dị. Emenanjo (1987) sịnaụda mkpọda na-emetụta ogoolu e ji akpọpụta ahịrịokwu.Ụda mkpọda dị iche n'ebe Ụdaelu, Ụdaala naụda nsụda dị niihi na a naghị akanye ya na mkpụrụokwu.Ọ bụ naanị n'ahịrịokwu ka ọ na-apụta ihe.Ụda mkpọda na-egosi na ọ bụghị ogoolu e ji malite ahịrịokwu ka e ji emechi ya. Ọtụtụ oge ogoolu na-adị elu na mmalite ahịrịokwu mana tupu ahịrị okwu abịa na njedebe, ogoolu na-adalata ala.

## 4.1 Atụtụ NnọrọOnwe n'Oluasụsụ Nanka

N'ebe a, a ga-eji atụtụ akụkụ nnọrọ onwe wee tulee ndịiche ndị a chọpụtara n'olu asụsụ Nanka. Ebe ọ bụna e nweghi ndịiche dị n'ebe Ụdaelu na Ụdaala dị n'olu asụsụ Nanka na Igbo Izugbe, a ga- eji atụtụ a wee tulee naani ebe e nwere ndịiche. Dị ka e gosipụtara na nchọcha, ebe e nwere ndịiche n'olu asụsụ Nanka na Igbo Izugbe bụ na ụda nsụda nakwa ụda mkpọda. Ya bụ, a ga-eji atụtụ a tulee mkpụrụokwu isii ndị e jiri zipụta ụda nsụda na kwa ahịrịokwu iri sitere n'olu asụsụ Nanka na-ezipụta ụda mkpọda.

(10)a. Ọdụ 'pestle' -agba mkpụrụ edide - ọdụ 'tail/market stall'
-ọgbara nsekọ -
e n -agba ụdaolu - e a

b. Elo 'mushroom' -agba mkpụrụ edide - elo 'suggestion/advice'
- ọgbara nsekọ -
e n - agba ụdaolu - e a

ch. Ezu' lake' - agba mkpụrụ edide - ezu 'meet'
- ọgbara nsekọ
e n - agba ụdaolu a a


d. Agụ 'lion' - agba mkpụrụ edide - agụ 'a type of ritual in Nanka tradition'
- ọgbara nsekọ -
e n - agba Ụdaolu - e a
- agụ 'reading'
e a


e. ọzọ 'title' - agba mkpụrụ edide - ọzọ 'again'
- ọgbara nsekọ -
e n - agba ụdaolu - a e


f. mma 'beauty' - agba mkpụrụ edide - mma 'knife'
- ọgbara nsekọ -
e n - agba ụdaolu - e a


Ahịrịokwu na-egosi ụda mkpọda n'olu asụsụ Nanka


| **Olu Nanka** | **Igbo Izugbe** |
|---|---|
| (11) Ọ wụzihi mụ | Ò bụzighì m |
| (12) Onye shiri nni ne | Ònye sìrì nri à |
| (13) Chukwu ekwene if$^h$e ọjọọ | Chukwu ekwène ihe ọjọ̀ò |
| (14) Ị gwazine m if$^h$e ehu | Ị gwāzina m ihe ahù |
| (15) Kwara nkeewa | Lèkwa ǹkè a |
| (16) Kwalị f$^h$aa ka ọ fụrụ | Ùgbu a kà ọ pùrù |
| (17) Ọbịara ibene? | Ọ bìarà ebe à? |
| (18) Amaziwụhụ m | Àmazikwàghị m |
| (19) Bịalị kaawa | Bịàrị ebe à |
| (20) O jez$^h$ihin'ubi | O jezighi n'ugbo |






Onye shiri nni ne
L H L L H H L
O
nye
shi
wu
n
ni
ne
higher pitch
lower pitch



Chukwu ekwene if$^{h}$e ojoo
H H H L H H H HHL
Chu
kwu
e kwe
ne
i f$^{h}$e
o jo
o
higher pitch
lower pitch



Ị gwazine m if$^{h}$e ehu
H LH H L H H L H
I
zi m
gwa
ne
if$^{h}$ e
e
hu
higher pitch
lower pitch



Kwaranke ewa
L L L H H L
kwa
ra n
ke
e
wa
higher pitch
lower


Kw a lịf$^{h}$aa ka ọ fụrụ
L H H L L H L L
kwa
li
f$^{h}$a
a
ka
o
fu
ru
higher pitch
lower pitch


H L L HH L
Ọ bịara ibene
Ọ
bị
ra
i
ne
ne
higher pitch
lower pitch


Amaziwụhụ m
L H H L H L
A
ma
zi
wụ
hụ
m
higher pitch
lower pitch


Bị a lịkaa wa
H L H L H L
Bị
a
lị
ka
a
wa
higher pitch
lower pitch




E lee anya n'eserese ndị̣a, a ga-ahụ na ọ bụghị ogoolu e jiri malite ahịrịokwu nke ọ bụla ka e jiri mechie ya. Mgbe a na-emeputa ahịrịokwu ndị a, Ogoolu anaghị abụ otu site na mmalite ahịrịokwu rue na ngwụcha ya.Ụdaelu ọ bụla na-adị ala karịa nke ọ na-esote, mana di elu karịa Ụdaala nke ọ na-esote ozigbo. Ọ bụ ụdị nrigo na nrịda ogoolu n'ụzọ dị otu a, ka a na-akpọ mkpọda dị ka o siri metụta Ụdaolu n'asụsụ ụfọdụ nke gụnyere oluasụsụ Nanka.

## 5. Nchọpụtaga na okwu mmechi

A malitere nchọcha a site n'ileba anya n'ihe bụ olumba na Igbo izugbe. A chọpụtara na olumba bụ asụsụ e jiri mara otu mba ebe Igbo izugbe bụ asụsụ zuru Igbo niile ọnụ. Nchọcha a lebara anya n'Ụdaolu n'usoro okwu Igbo dị ka o si metụta olu Nanka na Igbo Izugbe.

A chọpụtara na e nwere myiri na ndị iche dị n'òtùỤdaolu si abata n'usoro okwu olu Nanka na nke Igbo Izugbe.Nchọpụta gosiri na e nwere Ụdaolu n'olu Nanka dị ka ọ dị n'Igbo izugbe. Ụda nsụda pụtara ihe n'olu Nanka ma na-ewatakwa ndịiche n'etiti okwu ndị nwere otu ụdị. A chọpụtakwaziri na e nwere ụdị mkpọgo na mkpọda ụdaolu na-abatakarị n'asụrasụ olu Nanka nke adịghị n'Igbo Izugbe. Mkpọda ụdaolu a na-eweta ndịiche n'olu Nanka nke na-eme na mgbe ọ bụla onye Nanka sụrụ asụsụ na ọ na-apụ iche site n'otu ọ si ada na ntị.A chọpụtazikwuru na ụfọdụ ndị Nanka na-eme ihere ịsụ asụsụ ha otu o kwesiri niihi na ọ na-adịwaga iche na mkpọpụta okwu nke Igbo izugbe.

N'ikpeazu, a na-echetara ndị Nanka tụmadị ndị si na ọ na-eme ha ihereịsụ olumba ha tinyere ndị sị na ha amaghị asụ ya; na mmadụileda onyinye Chi ya nyere ya bụ ihe jọgburu onwe ya. E sizi n'ụzọ dị otu a na-adụ ndị niile ịsụ olumba ha na-eme ihere ọdụ;ka ha mara na ọlụmba ọ bụla

nwere ǹkà mma dị iche iche e kwesiri ka a gbaa n'anwụ iji mee ka asụsụ Igbo na-aga n'iru ma bụrụkwa akwaa akwụrụ

**Edemsibịa**


Anozie A.C. (1999). *Linguistiiki sayensi asụsụ*.Enugu: Fulladu Pulishers.

Clark, J. and Yallop, C. (1990). *An introduction to phonetics and phonology*.Oxford: Blackwell Publishers.

Emenanjo, E.N. (1978). *Elements of modern Igbo grammar*. Ibadan: Oxford University Press.

Ezeụmudo, R.M. (1995). *Nchịkọta ọmumu Asụsụ Igbo*.Onitsha: Kawụriz and Manilas.

Fromkin V., Roedmari R., Hyams N. (2007). *An Introduction to language*(8th edition) Buston: Wadsworth Cengage Learning.

Goldsmith, J.A. (1976). *Autosegmental phonology*.Indian University Linguistics club. (Published by Garland Press 1979).

Hocket, C.F. (1958). *A course in modern linguistics*. London: The Macmillan Company Ltd.

Ikekeonwu, C.I. (1985). Aspects of Igbo dialectology: A comparative phonological study of Onitsha and central Igbo dialects.*Journal of West African Languages*, Vol.iv, 2.

Ikekeonwu C., Ezikeojiaku, P.A., Ubani A.Ugoji. J.(1999).*Fonoloji na grama Igbo.* Ibadan: University Press PLC.

Mbah, B.M. and Mbah, E.E. (2010).*Topics in phonetics and phonology: Contribution from Igbo.*Nsukka:AP Eụpress Publishers.

Mbah, B.M. na Mba, E.E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Ngoesi, M.C., (1989). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke asụsụ Igbo.*Nkpor: Optimal Press.

Nwachukwu P.A.(1995). Tone in Igbo syntax. Nsukka: Igbo Studies Association.

Obianika, C. E. (2006). "Autosegmental analysis of tone in Igbo associative construction" in O.M. Ndimele, C.I. Ikekeonwu and B.M. Mbah (Eds) *Language and economic Reforms in Nigeria*. Port Harcourt: M & J Grand Orbit Communications & Emhai Press.

O'grandy,W. Archibald.J & Katamba, F. (2011). *Contemporary linguistics: An Introduction* (2nd ed) London: Longman.

Okonkwo, M.N. (1974). *A complete course in Igbo Grammar*.Lagos: Macmillan.

Olaoye, A.A. (2002). *Introduction to sociolinguistic*.Kaduna: Mafolayomi Press.

Oruchalu, S.U. (1987). *Fundamentals of Igbo spelling*. Benin City: Njikoka Press.

Williamson, K.(1965). *A grammar of the Kolokuma dialect of Ijo (West African language monographs, 2).* Cambridge: Cambridge University Press.

Yule, G. (1996). *The study of language*. Cambridge: Cambridge University Press.